**24th Sunday of Ordinary Time-YEAR B- September 12th, 2021**

**UKA NKE IRI ABUO NA ANO N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME, AFO NKE ABUO**

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Onye Amuma Aizaya (50:5-9)**
Onyenweanyi Chineke na-emeghe nti m ka m wee nu ihe. Mu onwe m enupughi isi. Alaghachighi m azu. Eweere m azu m nye ndi na-aku m ihe; biakwa were nti m nye ndi na efopusi ahu onu. Esopughi m ihu m n'ebe ndi na-ekwa emu, na ndi na-agbu m onu mmiri no. Onyenweanyi Chineke bu enyemaka m; n'ihi ya, ihere agaghi eme m, Agaghi m elekwa anya n'azu. O were m anya na ihere agaghi eme m. Onye na-ewelite aka nri m elu no nso. E nwere onye o bula choro ka mu na ya chipu ya, ya bia ka mu na ya guzo ihu na ihu. Onye ka mu na ya ga-ekpe? Ya pukwute m n'ogbo ikpe. I hula na Onyenweanyi Chineke bu enyemaka m. O bu onye ga-egosi na ikpe mara m? **Okwu nke Oseburuwa Ekene diri Chukwu.**

**ABUOMA NA AZIZA YA: Ps.115/116: Aga m aga n'ihu nke Onyenweanyi n'ala ndi di ndu.**

1. Ahuru m Onyenweanyi n'anya, n'ihi na O nula olu ekpere m; n'ihi na O geere m nti n'ubochi m kpokuru Ya. **Aziza.**
2. Udo onwu gbara m gburugburu. Onya nke ala mmuo ejidela m. Iwe na onuma juru m obi. M wee kpokuo aha Onyenweanyi: "Onyenweanyi, zoputa ndu m." **Aziza.**
3. Onyenweanyi bu onye amara na Onye aka Ya kwu oto. N'ezie, Chineke anyi bu onye ebere. Obu aka na-echekwaba umuntakiri. E buturu m ala, ma O zoputala m. **Aziza.**
4. N'ihi na O tohapula mkpuru obi m n'onwu. O hichaala m anya mmiri n'anya, biakwa mee ka ukwu m ghara iso ngongo. Aga m aga n'ihu Onyenweanyi n'ala ndi di ndu. **Aziza.**

**IHE OGUGU NKE ABUO: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Jemis di aso (2:14-18)**
Umunna m! Werenu akuko onye na-ekwu na ya nwere okwukwe, ma e nwebeghi otu oru oma o bula o ruru. Udi okwukwe ahu, o ga-azo ya? E nwee otu nwanne anyi nwoke, ma obu nwanne anyi nwanyi, na-enweghi uwe ma o bu ihe oriri ga-ezuru ya; o buru na otu onye n'ime unu asi ya: 'Ya dikwara gi mma! Oyi atukwala gi ozo! Rijukwaa afo!' n'enyeghi ya nke o bula n'ihe ndi a e ji enyere ndu aka, olee uru e ritere n'ekele ndi a? Otu ahu ka okwukwe di. Okwukwe na-enweghi ezi oru nwuru anwu. Lee ihe a ga-agwa onye na-eme udi ihe a: "I kwuru na i nwere okwukwe, mana enwere m ezi oru. Gosi m okwukwe gi na-enweghi ezi oru, ka m were ezi oru m gosi gi okwukwe m." **Okwu nke Oseburuwa. Ekene diri Chukwu**

**ALELUYA: (Galeshia 6:14) -** ***Aleluya, aleluya! Aleluya, aleluya!***: Chineke ekwela ka m nyaa isi ma o bughi n'obe nke Dinwenu anyi Jesu Kristi, site na ya ka e ji kpogbuo uwa n'obe n'ebe m no ***Aleluya!***

**<u>OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Mak dere (8:-27-35)</u>**

Jesu na Umuazu Ya puru, na-agaghari n'obodo nta di iche iche nke obodo Sizaria Filipi. Mgbe ha na-aga n'uzo, Jesu juru Umuazu Ya, si: "Onye ka ndi mmadu na-asi na M bu?" Ha si Ya: "Ufodu na-ekwu na I bu Jon Ome Mmirichukwu; ufodu na-ekwu na I bu Ilaija; ndi ozo na-asi na I bu otu n'ime ndi amuma." O wee juo ha nke ha, si: "Onye ka unu onwe unu na-eche na M bu?" Pita zara Ya si: "I bu Kristi" O wee doo ha aka na nti ka ha ghara igwa onye o bula na ya bu Kristi. Jesu wee malite ikuziri Umuazu Ya na: "Nwa nke Mmadu aghaghi ihu otutu ahuhu: Ndi Okenye, na ndi isi nchuaja, na ndi ode- akwukwo aghaghi iju Ya. A ghaghi igbu Ya. Ma mgbe ubochi ato gasiri, O ghaghi isi n'onwu bilie." O kooro ha ihe a n'ezoghi onu. Nke mere na Pita kpooro Ya jee n'akuku, malite ibara ya mba na ita Ya uta. Ma Jesu tughariri, lee Umuazu Ya anya, wee baara Pita mba si: "Gafee M n'azu, ekwensu! N'ihi na udi echiche i na-eche, adighi ka nke Chineke; kama i na-eche echiche ka mmadu." Jesu biakwara kpokota igwe mmadu ahu, na ndi Umuazu Ya wee si ha: "Onye o bula choro ibu onye na-eso M, ya ju onwe ya; biakwa buru obe ya sowe M. Maka na onye o bula choro ichekwaba ndu ya ga-atufu ya. Ma onye o bula tufuru ndu ya n'ihi M, na n'ihi Ozioma, ga-azoputa ndu ya. **Ozioma nke Oseburuwa Otito diri Gi, Kristi.**

**<u>English</u>**

**<u>First reading: A reading from the Book of the Prophet Isaiah (50:5-9)</u>**

The Lord GOD opens my ear that I may hear; and I have not rebelled, have not turned back. I gave my back to those who beat me, my cheeks to those who plucked my beard; my face I did not shield from buffets and spitting. The Lord GOD is my help, therefore I am not disgraced; I have set my face like flint, knowing that I shall not be put to shame. He is near who upholds my right; if anyone wishes to oppose me, let us appear together. Who disputes my right? Let that man confront me. See, the Lord GOD is my help; who will prove me wrong? ***The Word of the Lord- Thanks be to God.***

**<u>Responsorial Psalm (Ps. 115/116)</u>**

**Response: I will walk before the Lord, in the land of the living.**

1. I love the LORD because he has heard my voice in supplication, because he has inclined his ear to me the day I called. **R. I will walk before the Lord, in the land of the living.**
2. The cords of death encompassed me; the snares of the netherworld seized upon me; I fell into distress and sorrow, and I called upon the name of the LORD, "O LORD, save my life!" R. **I will walk before the Lord, in the land of the living.**
3. Gracious is the LORD and just; yes, our God is merciful. The LORD keeps the little ones; I was brought low, and he saved me. **R. I will walk before the Lord, in the land of the living.**
4. For he has freed my soul from death, my eyes from tears, my feet from stumbling. I shall walk before the LORD in the land of the living. **R. I will walk before the Lord, in the land of the living.**

**Second reading: A Reading from the Letter of St. James (2:14-18)**

What good is it, my brothers and sisters, if someone says he has faith but does not have works? Can that faith save him? If a brother or sister has nothing to wear and has no food for the day, and one of you says to them, “Go in peace, keep warm, and eat well,” but you do not give them the necessities of the body, what good is it? So also faith of itself, if it does not have works, is dead. Indeed, someone might say, “You have faith and I have works.” Demonstrate your faith to me without works, and I will demonstrate my faith to you from my works.
***The Word of the Lord: Thanks be God***

**ALELUYA (Galatians 6:14) :** ***Alleluia, alleluia***

May I never boast except in the cross of our Lord through which the world has been crucified to me and I to the world. ***Alleluia, alleluia.***

**Gospel: A reading from the Holy Gospel according to Mark (8:27-35)**

Jesus and his disciples set out for the villages of Caesarea Philippi. Along the way he asked his disciples, “Who do people say that I am?” They said in reply, “John the Baptist, others Elijah, still others one of the prophets.” And he asked them, “But who do you say that I am?” Peter said to him in reply, “You are the Christ.” Then he warned them not to tell anyone about him. He began to teach them that the Son of Man must suffer greatly and be rejected by the elders, the chief priests, and the scribes, and be killed, and rise after three days. He spoke this openly. Then Peter took him aside and began to rebuke him. At this he turned around and, looking at his disciples, rebuked Peter and said, “Get behind me, Satan. You are thinking not as God does, but as human beings do.” He summoned the crowd with his disciples and said to them, “Whoever wishes to come after me must deny himself, take up his cross, and follow me. For whoever wishes to save his life will lose it, but whoever loses his life for my sake and that of the gospel will save it.” ***The Gospel of the Lord- Praise be to you Lord Jesus Christ.***